Mbido Igbo

Akụkọ Eroro Ero

# Ada na Obi

Nke si n'aka

Somtochukwu Chiedu

Eserese:

Chidozie Moemenam

Kawuriz & Manilas Publishers Ltd.

© Kawuriz & Manilas Publishers Ltd. 2016

O nweghị onye ọ bụla nwere ikike ịkọpịrị ihe dị n'akwụkwọ a n'ụzọ ọ bụla ụzọ, n'elektironịk, fotografụ ma ọ bụkwanụ na teepu, beere sọ ma ọ natara ikike n'aka ndị bipụtara ya.

Ndị bipụtara akwụkwọ a bụ:

Kawuriz & Manilas Publishers Ltd.

45A Okosi Road, Onitsha

kawuriz@gmail.com

twitter: @mbidoigbo

facebook: @mbidoigbo

instagram: @mbidoigbo

youtube: @mbidoigbo

website: www.mbidoigbo.com

Phone: 08067964763, 08060300614 07032025205

Ada



Aha nwata nwaanyị a bụ Ada.

**This is Ada.**

Ọ bụ onye Nkanụ nke di n’Enugu steeti.

**She is a native of Nkanu in Enugu state.**

Ada anaghị erubere nne na nna ya isi.

**Ada is very disobedient to her parents**.

Ihe ọ bụla a gwara ya mee bụ ihe ọ naghị eme.

The tasks are given to her but are always left undone

Ọ na-ahịa ya ahụ i teeta ụra n’oge.

Also, she hardly wakes up on time.



Mgbe ọ gbalịrị teta,

On days she wakes up early,

ọ naghị ata atụ, ma ọ bụrụ na nne ma ọ bụ nna ya apịarọ ya ụtarị, i ji hụ na ọ tara atụ.

She hardly brushes her mouth without been flogged by her father.

Ọzọkwa, ọ naghị arụ ọrụ dị n'ụlọ, dị ka ịsa akwa, ịza ụlọ na-isa efere.

Also, she abstains from house chores, such as washing clothes, sweeping and tidying the plates.

N'ụlọ akwụkwọ ya, Ada na-ekpecha azu abịa akwụkwọ,

In school, she is notorious for coming late.

nke a kpatara e ji enye ya ọlụ ntarama-ahụhụ di iche iche, i ji hụ na ọ gbanwere biawa akwụkwọ n'oge. Mana ọ gbanweghị.

Therefore, she steadily receives various punishments to correct her.

Yet, all efforts were unsuccessful.


Amakwa Ada na ọ bụ onye na-adịghị agụ akwụkwọ ya.

Sadly, she is also known as one that doesn't read her books.



Ihe omume a na-enye ha ka ha mee n’ụlọ bụ ihe ọ naghị eme. Nke a wee bụrụ ihe mwụte nye ndị nkụzi ya.

Her assignments are always undone. These actions gave her teachers great concern.



Ọ bụghị na Ada enweghị ọgụgụ isi, kama n’egwuregwu bụ naanị ihe dị ya mkpa.

It is not that Ada is not bright; however, she's only interested in playing.

Kwa ụbọchị, ọ na-ewepụta egwu ọhụrụ nke ya na ndị enyị ya ga-egwu.

Every day in school, she comes up with different games that she indulges in, alongside her friends.



Nke a mere ndị nkụzi ji adụ ya ọdụ.

Nevertheless, her teachers never fail to give her pieces of advice.

Ha gwara ya, ka o wepụta oke uche ọ na-etinye n'egwuregwu, were ya tinye n'akwụkwọ ya.

They will always tell her to limit her interest in playing and channel it to her studies.

Maka na o woro ha anya na nke a ga-eme ka o mewe nke ọma n’ihe gbasara ụle nta na nke ukwu.

For they all knew that this would make her performance in tests and examinations improve rapidly.

Ọ bụ n’ule nta na ule ukwu ka agụghị akwụkwọ Ada na-egosi na klasị ya.

Unfortunately, Ada's reluctance to study rears its ugly head when results come out.

Ha di iri atọ n’ọnụọgụgụ. Eleresia akwụkwọ, Ada na-agba onye nke iri abụọ na ise.

If they are thirty in class, after examination, Ada will emerge in the twenty-fifth position.



Nwanne Ada nke nwoke, aha ya bụ Obiọra, gbalịrị ka o nyere Ada aka n’akwụkwọ ya, i ji hụ na o bidoro mewe nke ọma. Mana Ada anaghị etinye uche ya ma ọ na akụziri ya ihe.

His brother Obinna tried to help her with her studies, but Ada wouldn't pay attention.



Agwa ọjọọ niile ndị a Ada na-akpa mere na Nne na nna ya anaghị egotere ya ihe n'oge ekeresimesi.

This bad behaviour made her parents not to buy gifts for her during Christmas.

Ha zụtachaara ụmụnne ya, ha hapụ Ada, i ji mata ma agwa ya ọ ga-agbanwe.

Instead, they would buy for her siblings, in order to compel her to change her ways.



N’ezie, nke a na-abụ ihe mwụte nye Ada maka na ọ bụ onye hụrụ ihe di nma n’anya.

Ada always feels hurt whenever this happens, because she loves good things.

Mana o kwetesia na ọ ga-agbanwe omume ya, akwụkwọ bido, ọ laghachị azu n’ajọ omume ya.

But after deciding that she is going to change, once school starts, she goes back to her old ways.

Ihe ndị a wee bụrụ ihe mgbawoju anya nye onye ọ bụla…

All these became a dilemma for all the parties concerned.

# Ihe mmụta(Moral Lesson)

1. Nwatakịrị kwesịrị ị na-adị ọcha aga ụlọ akwụkwọ ya.

   A child should be neat while going to school.

2. Ịgụ akwụkwọ bụ ihe kwesịrị ịdị nwata akwụkwọ ọ bụla mkpa, maka n'uru dị na ya bara ụba.

Students should take their studies seriously because the benefits of education are vast.

3. Onye ọ bụla mere ọfụma n'ule nwere ụgwọ ọlụ, nke na-esi n'aka nne na nna abịa.

Any child that performs well in their examination receives a reward from the parent.

# Ihe omume (Questions)

1. Kedụ aha nwata nwaanyị e ji mere isi akụkọ a?

   What is the name of the girl in this story?

2. Depụta agwa ọjọọ ọ na-eme?
   List her bad behaviours?

3. Kedụ ụdị ndụmọdụ ndị nkụzi ya na-enye ya?
   What kind of advice do her teachers give her?

4. Kedụ aha nwanne ya nwoke?
   What is her brother's name?

5. Gịnị mere na-anaghị azụtara ya ihe ekeresimesi?
   What is the reason why her parents don't buy Christmas gifts for her?

# OBI



Aha nwata nwoke a bụ Obi.

This is Obi.

Ọ bụ nwa afọ Nnewi

Obi is from Nnewi,

Nke dị n’Anambara steetị,

, in Anambra state.

Obi bụ nwata na-erubere nne na nna ya isi.

Obi is obedient to his parents.

Ihe ọ bụla a gwara ya mee, ka ọ na-eme.

Whatever task he is given, he does.

O bilie n’ụtụtụ, ọ saa ọnụ ya, jee ozi.

Once he wakes up in the morning, he brushes his teeth and does some chores.

O mechaa nke a, o bilie gawa akwụkwọ.

When he finishes, he goes to school.



N’ụlọ akwụkwọ, a makwa Obi ama,

Di ka nwata na-akpa ezi agwa,

Maka na ọ na-eme ihe n’usoro esi gwa ya.

In school, Obi is known as a well-behaved pupil, because he acts as instructed.

Bido n’ihu na ọ gara akwụkwọ n’oge,

Rue na-ime ihe omume enyere ya mee n’ụlọ.

Whether going to school on time or doing his assignments.

A bịakwa n’ule nke nta na nke ukwu,

Obi na-eturu kwa ugo.

In both tests and examination,


Obi always excels.

Oge ọ bụla ọ na-agbaghị onye nke mbụ,

Anytime he doesn't make the first position,

Ọ naghị eri ihe, ma o ruo ụlọ.

he hardly eats, when he gets home.



A bịakwa n’egwuregwu agbam ọsọ,

Obi na-efe efe.


In races, Obi also excels.

Nke mere e ji gụọ ya “Usain Bolt” n’ụlọ akwụkwọ ya,

Maka ya na ụmụ akwụkwọ ibe ya gbakọọ ọsọ,

Ọ na-abụrịrị onye nke mbụ.

Thereby earning the name Usain Bolt in his school, this is because he always ends in the first position against his fellow students.




Obi bụkwa onye ji uche ya eme ihe.

Obi is also smart.


Ihe ọ bụla ọ na-aghọtaghị,

Ọ jụọ onye nkụzi ya.

Ma ọ bụ nwanne ya nwaanyị bụ Chisimñụlịa,

Nke nọ na sekọndịrị skuulu.

Whatever he doesn't understand, he asks his teacher or his sister Chisimnulia, who is in secondary school.



Nke a kpatara o ji mara ọtụtụ ihe di iche iche,

Nke na-abụghị ihe akụziri ya na klasị.

Dịka aha onye ọchichi mba Amerika,

bụ Barack Obama.

This is why he is knowledgeable beyond what he learns in class, like the name of American President, Barack Obama.

Obi bụkwa onye ghọtara na mmadụ kwesịrị ị na-asọpụrụ Chineke.

Obi also understands that man should respect God.

Ya mere o ji ekpe ekpere n’ụtụtụ, ehihie, abalị n’oge ọ bụla ọ chọrọ iri nri.

That's why he prays morning, afternoon, night, and any time he wants to eat.

I ji hụ na Chineke nọnyere ya,

Ọ na-eme nke a, ma okenye anọ ya, ma ọ bụ ọ nọghị ya.

All these to ensure that God is with him.

He does this, even if an elderly person is present or not.



N’ihi ezi agwa ndị a niile, Obi na-enweta ihe onyinye di iche iche Tụmadu n’oge ekeresimesi.

As a result of his good behaviour, Obi receives all kinds of gifts, especially during Christmas.

Nna ya nke na-azu ahịa,

Na-azụtara ya ọtụtụ ihe di iche iche,

Di ka uwe, akpụkpọ ụkwụ na elekere aka.

His father who is a trader always showers him with all kinds of gifts, like clothes, shoes, and wrist-watches.



Ndị ụmụnna ya na-enyekwa ya onyinye dị iche iche.

Dịka ugegbe anya, okpu na ụmụ ihe ndị ụmụaka ji egwu egwu.

His kinsmen are not left behind either, for they give him all kinds of gifts, like eye-glass, face-cap, and toys that kids use in playing.



Nke a mere Obi ji bụrụ nwatakịrị na-agbasị mbọ ike oge ọ bụla.

I ji hụ na ntụkwasị obi e nwere n'ebe ọ nọ abụghị ihe efu.

This is why Obi is motivated to keep up with his excellent performance, in order to reassure everyone that their fate in him is not misplaced.

## Ihe mmụta(Moral Lesson)

1. Ọ dị mkpa nwatakịrị igụ akwụkwọ ya.
   A child should take his studies seriously.

2. Nwatakịrị ọ bụla kwesịrị ị na-erubere nne na nna ya isi.
   Every child must obey his parents.

3. Ezi omume ọ bụla nwere ụgwọ ọlụ ya.
   Every good deed has its reward.

4. Nne na nna na-ahu nwa ha ọ bụla na-eme nke ọma n'anya.
   Parents have a special love for children that behaves well.

# Ihe omume(Questions)

1. Kedụ aha nwata nwoke e ji mere isi akụkọ a?
   What is the name of the boy in this story?

2. Depụta ihe e ji mara ya?
   List what he is known for?

3. Kedụ ihe ọ gbara na klasi ya, mere o ji jụ na ọ gaghị eri nri?
   What was the position that prompted him not to eat?

4. Gịnị bụ aha nwanne ya nwaanyị?
   What is the name of his sister?

5. Kedụ ụdi ihe onyinye ọ na-enweta n'oge ekeresimesi?

   What kind of gifts does he receive during Christmas?